lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Oge dị egwu nye Jizọs

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Byron Unger; Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
M. Maillot; Sarah S.

Onye tughariri okwu a: Ekwealor Sylvia Ujunwa

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Mgbe e mere Jizọs baptism, Chineke kwuru okwu.  Ọ sịrị, “Nke a bụ Ọkparam M'hụrụ n'anya. Onye ihe Ya di m ezi mma.”  Mụọ Nsọ nke Chineke rịdakwasịkwara Jizọs n’isi dị ka nduru.



N’oge na-adịghị anya ka nke ahụ gasịrị, Mụọ Nsọ Chineke duuru Jizọs gaa n’ọzara.  Jizọs nọkwa naanị ya.



Jizọs buru ọnụ ụbọchị iri anọ.  Nke ahụ pụtara na o righị nri ọbụla. Agụụ wee jide ya nke ukwuu.



Akwụkwọ Nsọ kwuru na ajọ anụ ọhịa dịkwa n'ebe ahụ.



Setan bịara ịnwa Jizọs. Ogologo oge gara aga, ọ nwara Adam na Iv ka ha nupụrụ Chineke isi n’ogige Iden. Ugbu a, ọ chọkwara ịnwale Jizọs.






Setan nwekwara ike ịnwa ọbụna Ọkpara Chineke, bụ Jizọs.

“Ọ bụrụ na ị bụ Ọkpara Chineke,” ka ekwensu kwuru, “gbanwee nkume ndị a ka ha bụrụ achịcha.” Ọ maara na agụụ na-agụ Jizọs. Ọ maara na Ọkpara Chineke nwere ike ime ka nkume ghọọ achịcha. Jizọs ọ̀ ga-erubere ekwensu isi?



Mba! Jizọs erubereghị ekwensu isi. Kama, o si n’Okwu Chineke zaghachi ya. “Ọ bụghị naanị achịcha ka mmadụ ga-eji dị ndụ, kama ọ bụ okwu niile ọbụla nke si n'ọnụ Chineke pụta.”



Mgbe ahụ, Setan duuru Jizọs banye n’obodo ukwu nke Jerusalem, n’ụlọ nsọ dị nsọ, ebe ndị mmadụ na-efe Chineke.  Gịnị ka ekwensu ga-emezi?



“Ọ bụrụ na Ị bụ Ọkpara Chineke, tuda onwe gị n’ala,” ka ekwensu kwuru. “Okwu Ya kwuru na ndị mmụọ ozi Ya ga-azọpụta Gị.”



“Ee e!” ka Jizọs zara ya. “Edewokwa ya n'akwụkwọ nsọ... anwala Jehova bụ Chineke gị ọnwụnwa.”





Ekwensu nwakwara ọzọ.  Ọ kpọrọ Jizọs si n'obodo ahụ pụọ gaa n'otu ugwu dị elu.

Ka o gosichara Jizọs otuto nile nke ala-eze nke ụwa niile, ekwensu wee si, “Aga m enye gị ihe ndị a niile, ọbụrụ na Ị ga-ada n’ala kpọọ isi ala nye m.”



“Gafee m n'azụ, Setan!” ka Jizọs nyere n’iwu. “Edewo ya n’akwụkwọ nsọ...‘Ị ga-efe Jehova bụ́ Chineke gị ofufe, ọ bụkwa naanị ya ka ị ga-akpọ isi-ala nye.’”



Ekwensu hapụrụ Jizọs nwa oge. Mgbe ahụ, ihe magburu onwe ya mere. Chineke zitere ndị mmụọ ozi ka ha kasie Jizọs, Ọkpara Ya obi ma lekọta Ya —Onye na-erubereghị ekwensu isi.



Oge dị egwu nye Jizọs

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Matiu Isi nke anọ, Luk Isi nke anọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.